REPUBLIK ÖSTERREICH
BUNDESAMT FÜR FREMDENWESEN UND ASYL

# Ozi na nhazi mkpokọta data

## “Usoro Ozi Nlekọta & Enyemaka”

## dịka ọ dị na isiokwu 13 na 14 nke Iwu Ozuruọnụ maka Nchedo Data (DSGVO)

**Aha na nkọwa mkpọtụrụ nke onye njikwa:**

Bundesamt für Fremdenwesen und Asyl (Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ)
Modecenterstraße 22, 1030 Wien
Ekwentị: +43- 59 133 98 7004
Faksị: +43- 59 133 98 7399
ozi-e: BFA-Einlaufstelle@bmi.gv.at

**Nkọwa mkpọtụrụ nke onye nchedo data:**

Ekwentị: +43- 59 133 98 - 0
ozi-e: BFA-Datenschutzbeauftragter@bmi.gv.at

**Nzube nke nhazi ahụ, nke anyị chọrọ iji data onwe ahụ maka:**

Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ ga-elekọta maka nhazi mkpokọta nke data onwe onye ọ bụla, ụlọọrụ ndị n’ogbe nwere ọrụ maka nlekọta ndị ọbịa dịka ọ dị na isiokwu 2, nkeji edemede 1 nke Nkwekọrịta Nlekọta & Ọrụ Nkiti na Minista Gọọmenti Etiti maka Ihe gbasara ime obodo

**Ndabere n’okpuru Iwu maka nhazi ahụ:**

Isiokwu 8 nke Iwu Gọọmenti Etiti na Inye Nlekọta & Ọrụ Nkiti na Ndị na-achọ Nnabata mgbaba ịze ndụ na Ndị ọbịa Ruru eru 2005 (GVG-B 2005) jikọtara na Nkwekọrịta Nlekọta & Ọrụ Nkiti dịka ọ dị na isiokwu 15a nke Iwu n’ime Akwụkwọ iwu (B-VG)

**Ogologo nke oge aga-echekwa data ahụ:**

Aga-ehichapụrịrị data n’afọ abụọ mgbe inye nkiti nlekọta na ọrụ ahụ gwụchara, ma ọ bụrụ na achọghị otu ahụ n’oge nke a maka usoro ọrụ na-echere ma ọ bụ maka ebumnuche nwechapụ dịka ọ dị na isiokwu 11 nke Nkwekọrịta Nlekọta & Ọrụ Nkiti.

**Ụdị nke ndị na-enweta data onwe:**

ụlọọrụ ndị na-achọ ịkwalite ọdịmma mmadụ, ụlọọrụ ndị ụkọchukwu ma ọ bụ ụlọọrụ nwere site na ndị ọzọ, dịka, ndị ahọpụtara n’okpuru iwu ka ha nọchite anya Mba ma ọ bụ Ngalaba Gọọmenti Etiti; ụlọọrụ ndị na-ahụ maka inye uru kacha nta nke nwalere dabere na mkpa; Ọrụ Inye ọrụ na Ọha na Ọstrịa (AMS); ụlọọrụ ndị maka nchekwa ọha; ndị ọchịchị na-ahụ maka enweta ego obodo; ndị ọchịchị maka nchịkwa distriktị dịka ndị ọchịchị ahụike; ndị ọchịchị maka nchekwa; ndị ọchịchị maka ọdịmma okoroọbịa na agboghoọbịa; Ego Nwekọta nke Ọstrịa; Ụlọọrụ nke Kọmishọna Kasị elu UN maka Ndị gbara ọsọ na Ọstrịa; ndị ọchịchị maka immigrashọn na nnabata mgbaba ịze ndụ site na mba ọzọ; ndị na-enye ebe obibi nke ga-arụ ọrụ maka ọgbakọ ndị ahụ (ahọpụtara maka inye nlekọta na ọrụ nkiti); ụlọọrụ njem ahọpụtara

na-ebufe ndị ọbịa na-achọ nkwado na nchekwa nke ruru eru maka nkwado (ndị na-achọ nnabata mgbaba ịze ndụ, mmadụ ruru eru maka nnabata mgbaba ịze ndụ, mmadụ ewepụrụ n'ọnọdụ ha na mmadụ ndị ọzọ nke enweghị ike ịbupụrụ n'ihi na nzube iwu ma ọ bụ ihe ọzọ); Ndị ọchịchị Ndebanye Nọmba njirimara nke onwe, n'okpuru ike akọwara na Iwu E-Gọọmenti; Ọnụ ọgụgụ Ọstrịa
Ndị na-eme usoro (dịka akọwara na isiokwu 4, nkeji 8 nke DSGVO dịka ikosanye ugwu isiokwu 36, ngalaba 2, nkeji 9 nke Iwu Nchedo Data (DSG)):
Minista Gọọmenti Etiti maka Ihe gbasara ime obodo; IBM Österreich - Internationale Büromaschinen Gesellschaft m.b.H.; Microsoft Österreich GmbH; Bundesrechenzentrum GmbH; Atos IT Solutions and Services GmbH

**Ikike ndị nke onye na-enwe data ahụ:**

Ikike iji mee mkpesa na Ndị ọchịchị Ọstrịa maka Nchedo Data (1080 Wien, Wickenburggasse 8, ekwentị +43 1 52 152-0, ozi-e dsb@dsb.gv.at) ga-adị dịka ọ dị na isiokwu 24, nkeji edemede 1 nke Iwu Nchedo Data (DSG).

Akọwara ikike nke nnweta na isiokwu 15 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke imezi na isiokwu 16 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke ehichapụ ('ikike iji chefuru otu onye') na isiokwu 17 nke DSGVO.

Enweghị ikike iji rụ ụka dịka ọ dị na isiokwu 21 DSGVO na enweghị ikike iji gbochie nhazi dịka ọ dị na isiokwu 18 nke DSGVO (isiokwu 8, nkeji edemede 4 nke Iwu Gọọmenti Etiti na Inye Nlekọta & Ọrụ Nkiti na Ndị na-achọ Nnabata mgbaba ịze ndụ na Ndị ọbịa Ruru eru 2005 (GVG-B)).